# NNYOCHA *IHE ỌJỌỌ GBAA AFỌ* SITE N'ỊGBADO ỤKWỤ N'ATỤTỤ NTỤCHA ỤBỤBỌ KEMPỤRỤICHE

***Ezebube, Chinedu C.; Chukwuneke, Ogechukwu F. U.; Akaeze, Chioma M., & Agbedo, Izuchukwu K.**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị Ọzọ
Mahadum Naịjirịa, Nsụka
***Email:** chinedu.ezebube@unn.edu.ng

**Ụmị Edemede**
Nchọcha a lebara anya n'iduuazị *Ihe ọjọọ gbaa afọ* nke Chinedum Ọfọmata. Ebumnuche ya bụ inyocha agwa ndị nwere ike, ịtụle agwa ndị a chịkwara na inyocha ụzọ dịgasị iche iche ndị nwere ike siri chịkwaa mmụọ na ụbụrụ agwa ndị a chịkwara. Atụtụ nchọcha a gbakwasara ụkwụ bụ atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke Teun van Dijk. Usoro nchọcha a gbasoro bụ nke kwọlitetiv. A chọpụtara na nwoke maọbụ nwaanyị nwere ike inwe ike n'agbanyeghị na ndị Igbo na-ahụkarị nwoke dịka isi n'ihe ọbụla gbasara ndụ. Nchọcha a gbalịkwara inyocha ụzọ dị iche iche agwa nwoke na nke nwaanyị si chịkwaa mmụọ na ụbụrụ agwa ndị ọzọ n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ*. Usoro ndị a gụnyere alụmalụ, asị, aghụghọ, omenaala, ịda nha, akụnụba, mma, ọnọdụ maọbụ ọkwa. Dịka o si pụta ihe n'iduuazị e nyochara, ike abụghị ihe na-adịgịde. Jenda ọbụla ji ike nwere ike iji ya chịkwaa mmụọ jenda ọbụla ọ chọrọ. Iwu obodo dịka omenala na ewumewu na-enye aka ime ka nwoke maọbụ nwaanyị nwee ike. Nke a bụ eziokwu maka na ihe obodo nabatara na-etinye mmadụ n'ọnọdụ jenda.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Agụmagụ; Iduuazị Igbo; Ụbụbọ; Ntụcha ụbụbọ kempụrụiche.

## Mkpọlite

Atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche (NỤK) bụ otu n'ime atụtụ e nwere na ntụcha ụbụbọ. Site n'akaọrụ Fairclough (1989), van Dijk (1995), Wodak (1996) na van Leeuwen (2008), atụtụ a bụ atụtụ na-agbado ụkwụ n'etu ụbụrụ mmadụ na ihe onye ahụ na-ekwu si agakọrịta ọnụ n'obodo. Ihe ndị na-enye onye ahụ ikikere ikwu ụdịrị okwu ahụ nwere ike ịbụ na onye ahụ nọ n'ọnọdụ dịka nwoke, nwaanyị, onyeisi ezinụlọ, onyeisi ọchịchị, onyeisi obodo maọbụ onyeisi ọgbakọ ọbụla na mba ụwa gbaa gburugburu. Atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche na-egosipụta na mgbe onye ahụ na-ekwu okwu ahụ, ihe ahụ ọ na-ekwu na iwu obodo na-agakọrịta. N'atụtụ a, ọnọdụ mmadụ nọrọ kwuo okwu, ka onye siri hụ ụwa na ike onye ahụ nwere bụ isiokwu dị oke mkpa a na-etinye n'ọrụ. Nchọcha a gbadoro n'iji atụtụ a nyochaa agụmagụ.

Nwadike (1992) kọwara na agụmagụ bụ okwu nwere mgbọrọgwụ ya n'okwu Latin – *Literae* (letters) nke bụ ihe e dere ede. Ọ kọwakwara agụmagụ dịka ọrụ nka sitere n'echiche pụta nke na-eziputa ma na-akọwapụta ndụ. Agụmagụ na-ezipụta nghọta site n'echiche odee nke na-arụtụ aka n'obibi ndụ ndị mmadụ. Okafor (2008) kọwara agụmagụ dịka ihe ndị ahụ e chepụtara echepụta gbasara ndụ nke anya na-ahụ na nke anya anaghị ahụ, bụ nke e jiri asụsụ n'ụzọ ekwumekwu, ederede na mmeghari ahụ zipụta n'ụdị abụ, ejije maọbụ akụkọ ma bụrụkwazie nke e jiri asụsụ nka zipụta dịka o siri masị odee. Agụmagụ nwere nnukwu ngalaba atọ ndị a: ọdịnịịgha, ejije na abụ. Iduuazị so n'otu n'ime ngalaba ọdịnịịgha. Nwadike (1992) kọwara iduuazị dịka ihe mere n'oge gara aga, ihe na-eme ugbu a, na ihe nke ga-eme n'ọdịnihu. Ụzọchukwu (2012) kwuru na iduuazị

bụ akụkọ a rọrọ arọ nke sitere n'ekereuche mmadụ pụta. Ihe ndị a odee agụmagụ rọrọ arọ nwere ike bụrụ ihe pụrụ ime eme, ma ọ bụghị na o mere n'ezie ma dee ya n'ọdịnịịgha, edemede ya abụrụ iduuazị, nke dabara n'agụmagụ. aá Asụsụ dị nnukwu mkpa n'agụmagụ.

Emenanjọ (2015) kọwara na asụsụ pụtara ihe n'ụzọ abụọ: Nke mbụ bụ ụzọ doro mmadụ niile anya ebe nke ọzọ bụ ụzọ dị omimi ma gbagwojuo anya. Ndị odee agụmagụ ji nkaasụsụ méré ezigbo enyi nke ha agaghị ahapụnwụ n'ihi na ọ bụ ya na-enye edemede ha ume ndụ. Ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ bụ etu ndị mmadụ si eji ike ha nwere achịkwa mmụọ ndị mmadụ site n'ụbụrụ onye ahụ n'iduuazị *Ihe ọjọọ gbaa afọ* nke Chinedum E. Ọfọmata, nke na-apụta ihe site n'asụsụ. Iduuazị a bụ maka otu nwokorobịa aha ya bụ Ikenna. Ọ lụrụ ajọ nwaanyị mesiri ya ike n'agbanyeghị ndụmọdụ e nyere ya ka ọ ghara ịlụ ya. Site n'enyemaka ndị ụmụọkpụ obodo ya, nwunye ya hapụrụ ya nke mere ka o nwetakwa onwe ya ọzọ.

Mkpalitere nchọcha a bụ igosipụta nsirihụ atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche n'ebe ndị mmadụ na-eji ike ha nwere achịkwa mmụọ ndị mmadụ. Atụtụ a bụ nke na-ewetara ọtụtụ ndị mmadụ mgbagwoju anya ọkachasị ụmụakwụkwọ n'ihi na a na-echemi echiche nke ọma ma chọpụta n'ọrụ agụmagụ ebe e jiri ike na ụbụrụ chịkwa mmụọ onye ọzọ nke na-apụta ihe na ndụ ndị mmadụ nakwa etu o si emetụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. A bịa na ndụ ndị mmadụ, e nwere ndị nwere ike n'obodo jikwa ụbụrụ ha akpa agwa dịgasị iche iche mana a chọrọ ịmata ihe atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche na-ekwu banyere ndị dị etu a. N'ụzọ doro anya, ebumnuche nchọcha a bụ:

a. Inyocha agwa ndị nwere ike n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ* nke Ọfọmata dere;
b. Ịtụle agwa ndị a chịkwara n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ*; na
ch. Inyocha ụzọ dịgasị iche iche ndị nwere ike siri chịkwaa mmụọ na ụbụrụ ndị a chịkwara n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ*.

**Ntụleghar̄ị Nchọcha ndị Metụtara Isiokwu**

Ọtụtụ nchọcha ewerela atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche mee nnyocha. N'ebe a, e nyochara nchọcha dị iche iche e merela yitere isiokwu nchọcha. Agbedo (2012) nyochara ngosipụta ike na nchịkwa na mkparịta ụbụbọ. O ji ndị okenye nọ ọgbakọ na mpaghara Enugwu-Ezike dị n'ala Igbo mee nchọcha ya. Ebumnuche ya bụ ịchọpụta akara na-egosi ike na mmekọrịta n'etiti ndị okenye a mgbe ha na-ekwu okwu maọbụ akpa nkata n'etiti onwe ha. Nke a gosiri na, o nwere etu ndị okenye ụfọdụ si agwa ndị tọrọ ha okwu maọbụ etu ndị kacha mee okenye si agwa ndị ọzọ okwu ma ọ bụrụ na ha pụta n'ọha n'ihi ike ha nwere. O lebakwara anya n'etu ndị okenye a si eji ilu arụ ọrụ mgbe ha na-ekwu okwu dị iche iche. Nchọcha ya chọpụtara na ụbụbọ ndị okenye a na-akpa nwere usoro nakwa ogo ndị okenye nwere ike na-akpa ụdị nkata ahụ. Nke a gosiri na a bịa n'etiti ha, na, e nwere ike dị iche iche ndị isi so n'ọgbakọ ahụ nwere nke ndị nkịtị enweghị.

Mostafa na Hassan (2012) ji ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nyochaa iduuazị a kpọrọ *Unsecured existence* nke Alshine Khorram dere. Ebumnuche nchọcha ha bụ inyocha, ịkọwa na ịkatọ omume ọjọọ ndị ndọrọndọrọ ọchịchị nke ndị Iran. Nchọcha ha lebara anya n'etu e si jiri isiokwu, ihe eserese na nkọwa agwa dịgasị n'akụkọ zipụta usoro akụkọ na echiche banyere akụkọ. Nchọcha ha gosipụtakwara, etu ndị ọchịchị si emegbu ndị ha na-achị n'ihi akwụkwọ mgbasa ozi ụfọdụ ndị mmadụ na-ebipụta banyere mpụ na arụ ndị ọchịchị na-emegasị. Ezebube (2016) ji ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nyochaa jenda na ike n'iduuazị nke Ubesie.Ebumnuche nchọcha bụ ịchọpụta ụdị ike agwa nwoke nwere nakwa etu ha si ezipụta ụdị ike ahụ mgbe ha na ụmụnwaanyị na-akparịta ụbụbọ

dịka ndị enweghị ike. Site n'ịgbado ụkwụ n'atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke van Dijk (1995), ọ gbasoro usoro nkọwa mee nchọcha a. Ọ chọpụtara na ịchịkwa ụbụrụ mmadụ, iyi egwu nakwa etu e si ajụ ajụjụ bụ ụzọ ndị nwoke si achịkwa ụbụrụ ụmụnwaanyị. Nchọcha ya zipụtakwara, na ndị a na-achịkwa mmụọ ha nwere usoro ha si achịkwa ndị na-achị ha dịka ịghọ aghụghọ na ịtụ asị.

Erika, Wiwi na Faisal (2021) ji ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nyochaa ikike mmadụ na usoro iwu ọhụrụ n'iduuazị a kpọrọ *Laut Bercerita*. Nchọchaha gosipụtara site n'iduuazị *Laut Bercerita* etu iwu ọhụrụ e wepụtara siri pụta ihe, ụdọ ji ndị steeti ọchịchị na ọha obodo nakwa etu e siri chọpụta iwu ọhụrụ a. Nchọcha a lebara anya n'ihe ndị obodo na-agbarụrụ ihu dịka ịtọrọ mmadụ na imegide ma nye ụmụakwụkwọ ntaramahụhụ n'ihi inye aka ha na-enye ịkwalite na igosipụta iwu obodo site n'ịgba n'anwụ, ihe ndị na-adịghị mma ndị steeti ọchịchị na-eme. Mbunuche nchọcha ha bụ inyocha, ịtụle na iwulitekwa eziokwu dị n'ime ikike mmadụ nwere n'ime afọ iri ikpeazụ nke usoro iwu ọhụrụ. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke Fairclough (1989). Ha chọpụtara na ihe ndị na-achị ji emekpa ikike nke mmadụ nwere oge ụfọdụ bụ n'ihi ike ha nwere n'obodo. Ha mere ka a mata na iduuazị dịka ọrụ agụmagụ nwere ike ikpughe nkọwa ihe omume ụfọdụ na-adabaghị n'obodo ma katọọ ụdịrị ajọ omume a.

Hamid, Djyad na Abdalla (2023) ji atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nyochaa 'anyị megide ha'n'iduuazị nke Nadeem Aslam dere a kpọrọ *The golden legend*. Nchọcha ha nyochara mmekọrịta ike na-ahaghị nhatanha n'etiti otu okpukperechi abụọ (ndị otu Alakụba na ndị otu Kraịst) na Pakistan. Nchọcha ha gosipụtara mmekọrịta ike adịghị nhatanha n'etiti ndị ogo elu (Alakụba) na ndị ogo ala (ndị otu Kraịst). Ha ji atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke van Dijk (1995) iji chọpụtacha usoro mkparịta ụbụbọ n'etiti otu abụọ ndị a. Ebumnuche ha bụ ikpughe otu abụọ ndị a na-emegiderịta onwe ha site n'ụbụbọ ha na-akpa n'iji usoro dị iche iche zipụta ya. Nchọcha ha chọpụtara na a na-egosipụta ihe nnọchianya dị mma nke ndị Alakụba na ihe nnọchianya na-adịghị mma nke ndị otu Kraịst, nke na-eme ka e nwee ndị nwere ike na ndị na-enweghị ike.

Muhammad, Mujib na Sahrish (2023) ji atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nyochaa nguzobe nwoke na nwaanyị, ịkpa oke na njirimara n'iduuazị a kpọrọ *The Pearl that Brokeits Shell.*Ebumnuche nchọcha ha bụ inyocha ma chọpụta echiche e nwegasịrị banyere ịkpa oke n'ebe nwoke maọbụ nwaanyị nọ n'iwu obodo guzobere. Nchọcha ha ji atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke Fairclough (1989) gosipụta etu e si ahụ nwoke na nwaanyị n'obodo ahụ ọkachasị ndị na-etolite etolite. Ha chọpụtara na ọtụtụ ụmụnwaanyị na-anwa ike ha ka obodo ghara ịhụ ha dịka ndị na-enweghị ike, ndị nwere ike imenwu ihe ndị nwoke na-eme n'ụwa. Nchọcha ha gosipụtakwara na ndị nwaanyị nwere ọtụtụ ihe na-adọghachi ha azụ mgbe ha chọrọ ime ihe masịrị ha n'ihi na ha bụ ụmụnwaanyị.

Otu ihe jikọtara nchọcha ndị a tụlegharịrị n'elu bụ na ha niile na-eleba anya n'ihe gbasara ike na nchịkwa mmụọ n'obodo. N'agbanyeghị nke a, e nwegasịrị etu ha si dị iche na nchọcha anyị na-eme. Ebe Agbedo (2012) gbadoro ụkwụ n'ọgbakọ ndị okenye, nchọcha ndị ọzọ dịka nke Mostafa na Hassan (2012), Erika, Wiwi na Faisal (2021), Hamid, Djyad na Abdalla (2023), Muhammad, Mujib na Sahrish (2023) nyochara iduuazị edeghị n'Igbo dịka nchọcha nke a siri mee. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na Ezebube (2016) ji atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nyochaa iduuazị e dere n'Igbo mana iduuazị ndị o nyochara bụ nke Tony Ubesie. Nchọcha nyochara iduuazị Chinedum Ọfọmata iji chọpụta etu e si zipụta ike site n'agwa ndị nọ n'akụkọ nakwa etu nke a si metụta nchikwa mmụọ na ụbụrụ.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ nchọcha a gbasoro bụ usoro atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke Teun van Dijk. Van Dijk (1993:249) hụrụ "ntụcha ụbụbọ kempụrụiche dịka usoro ntụcha ụbụbọ nke na-ekpughe mmekọrịta dị n'etiti ụbụbọ, echiche na ike." Nke a gosiri na atụtụ a, na-enye aka ịgba n'anwụ, ihe mmadụ bu n'uche mgbe ọ na-ekwu okwu. Ihe ndị ahụ ọ na-ekwugasị n'ihi ike o nwere na ụbụrụ ya na-agakọrịta. Dịka Lakoff (1975) siri kwuo, ụbụbọ nwere ike ịdị n'ụdị okwu maọbụ ihe dị iche iche e dere n'akwụkwọ ọgụgụ; ya bụ, olu okwu odee maọbụ ndị na-akparịta ụka nke na-egosi echiche mmadụ banyere ọnọdụ a nọrọ kwuo ya bụ okwu. Fairclough (1995) hụrụ ụbụbọ dịka echiche maọbụ okwu karịrị nnyocha ahịrịokwu nkịtị. Ọ hụtara ya dịka omume ọha mmadụ na mmekọrịta dị n'etiti ndị mmadụ na obodo mgbe ha na-ekwu okwu. Akaeze, Aboh na Ugwuoke (2021) mere ka a mara na iji hụ na a tụchara ụbụbọ etu kwesịrị ekwesị, ọ dị mkpa itinye ọnọdụ a nọ kwuo okwu ahụ n'ọrụ. Ha gara n'ihu ịrụtụ aka na ọ bụ ọnọdụ a nọ kpaa ụbụbọ na-ekpebite ma ya bụ ụbụbọ ọ dabara adaba ka ọ bụ na ọ dabaghị. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ụbụbọ ọbụla mmadụ kpara sitere n'echiche onye ahụ na etu onye ahụ si ahụ ụwa.

Dịka Ezeifeka (2018) siri kọwaa, ndị ọkammụta dị iche iche ahụla atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche n'ụzọ dị iche iche ka otu n'ime ụzọ ndị ọchịchị si eji asụsụ n'ụzọ aghụghọ achịgharị mmụọ ndị ha na-achị. Nke a mere na ihe dị oke mkpa mgbe e ji atụtụ a arụ ọrụ bụ igosipụta etu ike ahụ ha nwere si apụta ihe n'ederede nakwa etu a ga-esi nyochaa ụdị ihe ha na-ekwu nke ọma. Usoro van Dijk (1995) gbadoro ụkwụ na nsirihụ ụwa. Usoro ya bụkwa nke na-ahụ maka mmekọrịta dị n'etiti ụbụrụ na iwu obodo. Nke a pụtara na dịka ndị mmadụ na-ekwu okwu, ụbụrụ ha na iwu obodo na-agakọrịta ọnụ iji hụ na ha kwuru ihe obodo ga-anabata. Ọzọkwa, van Dijk (1995) rụtụrụ aka na ebumnuche ụbụbọ bụ igosipụta ike. Ọ bụ site n'igosipụta ike a ka ndị mmadụ na-eji achịkwa ụbụrụ mmadụ ibe ha. Nke a na-egosi na usoro van Dijk (1995) na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na ihe ndị mmadụ na-ekwu maka ya. Usoro ya na-agbado ụkwụ n'ịnyocha ihe e dere ede na ihe e kwuru ekwu iji kpughe ime echiche na ike onye ahụ nwere sitere n'ihe o kwuru nakwa ụdị ebe ọ nọ ekwu ụdị okwu ahụ.

Buhkari na Xiaoyang (2013:12) zipụtara ihe van Dijk kwenyere na ya site n'ikwu na a na-enwe mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ, obodo na ụbụbọ. Ha gara n'ihu ma chọpụta na mmadụ ọbụla kpara ụbụbọ nke pụtara ihe, na ọ ga-adị mma inyocha ya n'ogo ndị a:

a. Inyocha ọnọdụ ụbụbọ, akụkọala, usoro ọchịchị na ịma ka e nwere ndụkọrịta na mbara ezi a nọ akpa ya bụ ụbụbọ.
b. Inyocha ike na ndụkọrịta dapụtara.
ch. Ịmata echiche dị mma na nke adịghị mma (Anyị megide ha).

Usoro echiche mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-adabere n'isiokwu ndị mmadụ ji maka ya ekwu okwu site n'igosipụta ihe dị ha n'uche. Nke a ga-eme ka ndị mmadụ buru n'uche ma mara etu ụdị okwu ndị a si apụta n'asụsụ. Dịka Ezeifeka (2018) si kọwaa, mkpụrụokwu ọbụla na ka e si kwuo ya bụ ihe dị n'ime uche mmadụ. Nke a ga-eme ka ọgụụ maọbụ ogee chemie echiche nke ọma iji nwee ezi nghọta gbasara ihe okwu ahụ pụtara. Ọ gaghị elebara ya anya dịka okwu nkịtị kama ọ ga-echemi echiche banyere okwu e kwuru. Nke a mere na mgbe ndị mmadụ na-ekwu okwu, o nwere ihe ndị a na-ahụgasị n'ihe ahụ a na-ekwu maka ya nke ga-esite n'etu echiche ọgụụ maọbụ ogee si dị nkọ. Atụtụ a na-ezipụtakwa ike dị n'obodo na etu ndị mmadụ ji ike si achịkwa ụbụrụ ndị ha na-achị. Nchọcha a zipụtara ka isiokwu a tụlere ebe a si pụta ihe n'iduuazị *Ihe ọjọọ gbaa afọ*.

**Usoro Nchọcha**
A gụrụ akwụkwọ iduuazị *Ihe ọjọọ gbaa afọ* nke Chinedu Ọfọmata dere iji chọpụta agwa ndị nwere ike, ndị a chịkwara mmụọ ha na ụzọ dịgasị iche iche ndị nwere ike siri chịkwaa mmụọ na ụbụrụ ndị a chịkwara. A gara n'ihu gbasoo usoro atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke Teun van Dijk (1995) ma tụchaa agwa ndị a chọpụtara. Ụdị nchọcha e mere bụ nke kwọlitetiv n'ihi na onye nchọcha ji ihe mere n'akwụkwọ iduuazị a họrọ gosipụta etu ndị nwere ike n'obodo si achịkwa ụbụrụ ndị ọzọ.

**Nnyocha Njiatụle**

**Agwa ndị Nwere Ike na Agwa ndị a Chịkwara n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ***
Na mpaghara nke a, a ga-enyocha agwa ndị nwere ike na agwa ndị a chịkwara n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ* site n'iji atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke van Dijk (1995). A haziri nke a dịka o si metụta ebumnuche nchọcha.

**Nnyocha Agwa ndị Nwere Ike n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ***
N'ebe a, agwa ndị pụtara ihe gụnyere Ikenna, Nkemdịrịm, Mmirimma na Afụlụenu.

**Ikenna**
Ikenna bụ isiagwa ma bụrụkwa agwa a hụrụdịka agwana-ebi ndụ okomoko. Ọfọmata (2005) gosipụtara ya dịka onye hụrụ ụmụnwaanyị n'anya nke ukwuu ma na-aghọrị mmụọ ha iji nweta ihe ọ na-achọ n'aka ha. Odee gosipụtara Ikenna dịka nwoke nwere ike. Nke a bụ nke o zipụtara n'ime akụkọ a n'ọnọdụ dị iche iche ọ hụtara onwe ya. Ikenna nwere ike ịtụgharị ụbụrụ ụmụnwaanyị. Nke a mere Ọfọmata ji zipụta;

> Ọ bụ otu a Ikenna si akpa agwa kpatara ụmụagbọghọbịa ejighị ekwe ya ezu ike na be ya n'Enugwu. Nwagbọghọbịa nke bịachaa na-apụ, ọzọ akụọ aka bata n'ihi na ha maara nke ọma na akwa ọgazị bụ oriri n'ezie (ihu 1).

N'ihi akụnụba Ikenna nwere, nke a mere ka obi sie ya ike n'ebe ụmụagbọghọ na-esogharị ya ka ijiji nọ. Mgbe nwoke ji ego, nwoke ahụ nwere ike nke na-egosi na ihe ọbụla ọ gwara nwaanyị mee maọbụ emela ga-adị otu ahụ. Mgbe ụfọdụ, akụnụba mmadụ nwere abụghị naanị ya na-ezipụta ike onye ahụ nwere kama ụdị okwu onye ahụ na-ekwu, usoro o si ekwu okwu ahụ, iji asụsụ aghụghọ na ịtụ asị achịgharị ụbụrụ mmadụ n'ụzọ dịgasị iche iche iji nweta ihe ọ na-achọ sokwaa ezipụta ike.

Odee gosipụtara Ikenna dịka nwoke nwere ike ma bụrụ onye a hụrụ dịka onyeisi ezinụlọ oge Nkemdịrịm kwara ya aka nke fọrọ ntakịrị ka o meruo ahụ n'ihi na ọ chọrọ ịmata ebe ọ hapụrụ ya gawa n'abalị (Ihu 111). Ikenna gosiri ya na ọ bụ nwoke site n'iti ya ihe nke mere na Nkemdịrịm sekpuru ala rịọwa Ikenna arịrịọ. Ọzọ kwa, Ikenna ka a hụrụ dịka nwoke nwere ike na-ekwu ihe ga na-eme n'ezinụlọ ya. Nke a pụtara ihe oge o ruru otu abalị mgbe Nkemdịrịm gwara Ejindụ ka ọ hapụ ihe ọ na-eri, were ọsọ ga bupu efere na ihe ndị ọzọ ya na di ya ji rie ihe. (Ihu 121). Nke a wutere Ikenna nke ukwu nke mere na ọ gwara Ejindụ ka ọ gbachi Nkemdịrịm nkịtị riwe ihe ọ na-eri. Nke a gosipụtara Ikenna dịka nwoke nwere ike ma na-ekpebi ụdị ihe ọ chọrọ ga na-eme n'ụlọ ya nke nwunye ya enweghị ike ịgbagha. Ebe ọzọ odee gosipụtara Ikenna dịka agwa nwere ike bụ oge Nkemdịrịm gara ka o tie Ejindụ ihe n'ihu Ikenna (Ihu 135). Ikenna were iwe si n'oche ọ nọ

kulie, jide Nkemdịrịm were baara ya mba sị ya na ọ nwaa anwa metụ Ejindụ aka ọzọ n'ihu ya, o gosi ya nke ọ na-eme. Ụjọ jidere Nkemdịrịm nke mere na ọ hapụziri iti Ejindụ ihe.

**Nkemdịrịm**

Odeegosipụtakwara Nkemdịrịm dịka agwa nwere ike n'iduuazị, *Ihe ọjọọ gbaa afọ*mgbe o ji ike ya dịka nwunye Ikenna megbuo Ejindụ na nne Ikenna. Nke a pụtara ihe mgbe Ikenna kpọtara Ejindụ n'Enugwu ka ha na ya biri, ma sikwa otu ahụ zụwa ya n'ụlọ akwụkwọ (Ihu 118). Nkemdịrịm, mgbe ọ hụrụ na Ejindụ abịala, hapụzịrị ya ozi niile dị n'ụlọ nke ọ na-eje kwa ụtụtụ, ehihie, na abalị. O were Ejindụ dịka ohu ya. Ọ naghịkwa ekwe ka Ejindụ rie ihe abalị tutu ya na di ya erichaa nke ha (Ihụ 120). Ọzọ kwa, odee gosipụtara Nkemdịrịm dịka agwa nwere ike n'ebe nne di ya nọ. Nkemdịrịm anaghị eleta nne di ya ahụ adịghị n'ụlọọgwụ mgbe nwa ya nwoke bụ Ikenna kpọtara ya Enugwu ka e lee ya anya nke ọma (Ihu 219). O zijekataara nne di ya nri were malite mewe ụbọchị masịrị ya o sie nri bunye Ogenna ka o bujere ya. Ụbọchị ọ masịghịkwanụ ya, ọ hapụ.

**Mmirimma**

Mmirimma bụ nwa agbọghọbịa mma ya na-awụ akpataoyi nke Ikenna na Cheta, otu n'ime enyi ya nwoke zutere n'okporoụzọ mgbe ha gachara ịhụ Nkemdịrịm n'ụlọakwụkwọ. Nwa agbọghọbịa a na-eme ka ọgbanje si na mmiri pụta na-achọ nwoke ọ ga-adanye n'aka. Ndụmọdụ Cheta nyere Ikenna ka ọ hapụ nwagboghọbịa a dị ka a na-awụsa mmiri n'okwute. Ikenna mechara gaa buru nwagbọghọbịa a laa mpaghara Orie Emene n'ime Enugwu. Ikenna nọ na-eche maka ihe ya na nwagbọghọbịa a jere mgbe o bulara ya wee ruo otu ụbọchị ihe ọ tụghị anya mere ya na nrọ. Ọ rọrọ nrọ ebe nwaada ahụ kpọ ya gaa n'otu nnukwu mmiri(ihu 48-49).

Mmirimma nwere ike nke mmụọ, nke na-egosi na o nwere ike imemina nwoke ọbụla bịara ya nso. Dịka o si amụ amụ, nwoke ọbụla ga-eche na ọ bụ nwaanyị ọlụlụ ma bụrụkwa ezigbo mmadụ. Ihe dị otu a ka Ikenna chere n'ime uche ya n'amaghị na Mmirimma nwere ihe ọzọ o bu n'uche.

> Aha m bụ Mmirimma. Ọ bụ n'afọ gara aga ka m si na mahadum pụta, were na-achọgharịzi ọrụ. Mana, Ikenna otu ihe m chọrọ ime ka ị mata nke ọma bụ na ị na-achụ nwaanyị nke ukwu. Ebere ndị be unu na-eme m n'ihi na ọ bụrụ na ị kpachapụghị anya, ihe dị na nwaanyị erie isi gị (ihu 53).

Nke a na-egosi ike Mmirimma nwere dịka mmụọ mmiri. Site na nkọwa Anọzie (2003), ndị Igbo kwenyere na e nwere ụwa mmụọ, ụwa ndị dị ndụ na ụwa anụmanụ. N'ụwa mmụọ, ndị bi ebe ahụ bụ ndịichie maọbụ ndị ajọ mmụọ. Ihe mmadụ enweghị ike imenwụ n'ụwa mmadụ, na-eme n'ụwa mmụọ. Mmirimma dịka agwa si n'ụwa mmụọ bịa n'ụwa mmadụ zipụtara ike ya mgbe ọ bịara n'ụwa mmadụ ma site n'ime mmụọ ya hụ etu Ikenna si ebi ndụ nakwa ihe ya na ụmụnwaanyị na-eje ma Ikenna agwaghị ya okwu ọbụla banyere ndụ ya. Okwu ndị ahụ ọ gwara Ikenna gosiri na Mmirimma mara ihe dị Ikenna n'uche ma marakwa ihe kpatara o jiri sị ya bịa n'ụlọ ya.

**Afụlụenu**

Afụlụenu bụ nwanne nwaanyị nna Ikenna nke tọrọ ya. N'Odunta, ọ bụ ya bụ onyeisi ụmụọkpụ. Ọ bụ ihe Afụlụenu kwuru ka ụmụọkpụ na-eme. Aha ụmụọkpụ ibe ya na-akpọ ya bụ, 'Ojiehi'. N'ala Igbo, nwaanyị ọbụla a na-akpọ *ojiehi* bụ nwaanyị jiri ehi kwaa nna ya mgbe a na-eme mmemme ọnwụ onye ahụ lara mmụọ. N'ihi ya, a na-asị na nwaanyị mere nke a chizuru echizu n'ala Igbo n'ihi na o ji ehi kwanyere nna ya ugwu ikpeazụ. N'ala Igbo, ehi bụ anụmanụ ndị Igbo na-eji eme

mmemme ịkwa mmadụ nwụrụ anwụ. Ọ dịghị onye na-akpọ Afụlụenu aha ya naanị ma ọ bụ onye chọrọ ikote okwu na ụka ụmụọkpụ (Ihu 162). A na-ahụ ya dịka nwaanyị nwere agba n'obodo Odunta mere na okwu ọbụla e kwuru, ọ bụrụ na Afụlụenu amaghị maka ya, okwu ahụ agaghị enwe isi. Nke a pụtara ihe mgbe nsogbu gbasara di na nwunye n'etiti Nkemdịrịm na di ya, Ikenna na-arị elu (ihu 162-163).

N'agbanyeghị na Afụlụenu bụ nwaanyị, o nwere ike ma nwekwa ọnụ okwu n'obodo nna ya. Nke a pụtara ihe mgbe Ejindụ si be nwanne ya nwoke Ikenna lọta, ma kọọrọ ndị be ha ihe ya bụ Ejindụ gabigara n'aka nwunye Ikenna bụ Nkemdịrịm nakwa agwa ọjọọ ọ na-akpaso di ya (Ihu 163). Afụlụenu foro ntutu taa na ya ga-ahụrịrị isi okwu ahụ ma mee Nkemdịrịm ka o wepụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ. Nke a gosiri na Afụlụenu nwere ike dịka onyeisi ndị ụmụọkpụ n'ala nna ya. Ihe pụtara ihe bụ na Nkemdịrịm bụ otu nwaanyị mere omume ka otu nwaanyị, ebe Afụlụenu rụrụ ọrụ ka onyeisi ụmụọkpụ, nke gosiri na ike ọha karịrị ike otu onye.

**Ntụle Agwa ndị a Chịkwara n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ***

N'ebe a, agwa ndị a chịkwara gụnyere Ikenna, Ego, Nkemdịrịm. Ndị a bụ agwa ndị nwere ike mere ka ha kpaa agwa dịka ọchịchọ ha (ndị nwere ike) si dị. A chịkwara ụbụrụ na mmụọ agwa ndị a.

**Ikenna**

Ikenna sokwa n'agwa ndị a chịkwara n'iduuazị *Ihe ọjọọ gbaa afọ*. Nke a pụtara ihe mgbe Ikenna na enyi ya nwoke, Cheta na-alọta mgbe ha gara ileta Nkemdịrịm n'ụlọakwụkwọ ma hụ Mmirimma ka ọ kwụ n'ụzọ (Ihu 39-40). Mmirimma jiri mma ọ mara na ike mmụọ mmiri ya chịkwaa Ikenna. Mma Mmirimma mara tinyere amụ ọ na-amụ mgbe niile mebiri Ikenna isi nke mere na ọ jụghị onwe ya ase banyere onye Mmirimma bụ. Mma Mmirimma mekwara Ikenna ka o mee ihe ọbụla ọ gwara ya n'egbughị oge. Nke a pụtara ihe mgbe Ikenna gwara Mmirimma na:

> Ọ dịghị onye ọbụla m na ya nwe be m. Ihe niile ị hụrụ ebe a bụ nke m ma bụrụkwa nke gị. ...Ihe ọbụla bụ mkpa gị, ị gwa m maka ya. Aga m emere gị ya (Ihu 52).

Ọzọ kwa, Nkemdịrịm jikwara mma ya chịkwaa mmụọ Ikenna. N'ime iduuazị a, odeegosipụtara na mma Nkemdịrịm mara mebiri Ikenna isi n'ihi na ọ dịghị onyeọbụla hụrụ Nkemdịrịm agaghị ekweta na Chukwu kere ya nke ọma ka nwaanyị kwesịrị ịdị (Ihu 21). Nke a mere na o kpebiri na ọ gaghị alụ Ego ọzọ n'ihi na ọ hụla onye ka Ego mma. Nkemdịrịm chịkwara mmụọ Ikenna mgbe ọ mụrụ nwa ọhụrụ ha gụrụ Ikem (Ihu 168). N'ihi nke a, Nkemdịrịm bidoro nyewe Ikenna iwu ụdịrị ihe ọ ga na-eri. Tupu o rie ihe ọbụla, ọ ga-ahụrịrị na anụ na azụ juputara na ya (Ihu 169).

**Ego**

Ego bụ otu nwaada na-achọ ọrụ bi na mpaghara Ụwanị n'Enugwu ma bụrụkwa onye ya na Ikenna na-eme enyi. Ọ bụ nwaanyị nwere ezigbo obi n'ebe Ikenna nọ. Dịka otu Ikenna si aghọrị ụmụnwaanyị site n'ikwe onye ahụ nkwa na ọ ga-alụ ya, Ego weere onwe ya nye Ikenna nke mere na ọ gaghị anọ otu ogologo oge ma ọ gabeghị na be Ikenna (ihu 6). Ihe gara n'etiti Ego na Ikenna n'iduuazị ana-ezipụta na mgbe ụfọdụ, ụmụnwaanyị na-ekwenyekarị n'ihe ha nụrụ na ntị karịa ihe ha hụrụ n'anya. N'ihi na Ego hụrụ Ikenna n'anya, ihe ọbụla ọ gwara ya ka ọ na-eme iji gosipụta ugwu na nsọpụrụ ọ na-enye Ikenna n'agbanyeghị na ọ ma na Ikenna nwere enyi nwaanyị ọzọ.

**Nkemdịrịm**

Nkemdịrịm bụ nwa agbọghọbịa mara ezigbo mma mana agwa ya dịka unyi. Ọ bụ ya na Ego lụrụ ọgụ na be Ikenna mgbe ha hụrịtara onwe ha (ihu 5). Ọ bụghị nwaanyị nwere ugwu na nsọpụrụ n'ebe mmadụ ibe ya nọ. N'ihi na Nkemdịrịm mara mma nwaanyị, Ikenna jiri ụzọ dị otu a chịkwa mmụọ Nkemdịrịm ma ghọrịa ya ka ọ bụrụ enyi ya nwaanyị. Ọ bụghị nwaanyị a na-atụkwasị obi n'ihi na ihe o jiri kweta ka ya na Ikenna mewe enyi bụ ihe ọ na-enweta n'aka ya. Mgbe Nkemdịrịm gara na be Ikenna n'Odunta, ọ bụghị ihe o chere ka ọ hụrụ. Ụdị ụlọ nne na nna Ikenna bi enyeghị ya ọnụ okwu. Nke a mere ka ọ chọọ ịgbanwe obi ya mana Ikenna ji ike o nwere megharịa uche ya (Ihu 69). Odeegosipụtara etu Ikenna si chịkwaa mmụọ Nkemdịrịm mgbe o dere;

> Ọ bụ ndị be anyị na-alụ gị? Ọ bụ m na-alụ gị. Uche atụla gị n'ihi na kama ị ga-ata ahụhụ kama ihe m kpatara gwụ. Ị mara ihe ga-eme gị obi ọjọọ na be anyị gwa m. Ọ bụ ụlọ akanya nna m ahụ na-ewute gị? Enyezila onwe gị nsogbu n'ihi na oge eteghị aka aga m akụkpọ ya, wuo ya ụlọelu bụ ịgba bụrụkwa kpoo. Nkemdịrịm, naanị ihe ga-ewute m n'ebe ị nọ bụ na ị gaghị ericha akụ na ụba m. Nkem, buru n'obi gị mgbe ọbụla na ị gaghị ata ahụhụ ọbụla. Ndị be unu ga na-enwekwu aṅụrị, na-ekele Chukwumaka otu ha siri nweta ezigbo ọgọ dị ka m (ihu 70).

Odee gosipụtara Nkemdịrịm dịka nwaanyị na-enweghị ike nke mere na Ikenna jiri maka ya chịkwaa mmụọ ya. Okwu Ikenna gwara Nkemdịrịm mere ya ka ọ tụgharịa uche ya ma kwesịkwa ike n'ebe Ikenna nọ dịka onye ga-alụ ya n'agbanyeghị ụdịrị ọnọdụ ụbịam nne na nna Ikenna nọ.

**Nne Ikenna**

Nne Ikenna bụ nwaanyị nwere obi umeala ma na-agbasikwa mbọ ike ịhụ na ezinụlọ ya na-aga nke ọma. Ndị Igbo tụrụ ilu sị, na ihe okenye tukwu ala hụ, na nwatakịrị rigoro elu ọjị, ọ gaghị ahụ ya. Nne Ikenna dịka onye hụrụla ụwa nke ọma gbara ọbara ka ike ha ya ịhụ na nwa ya nwoke Ikenna lụrụ nwaanyị nwere ezigbo agwa mana mbọ niile ọ gbara ka mmiri a wụsara n'okwute. Ọ gbalịrị nye nwa ya ndụmọdụ ga-abara ya uru n'ihe gbasara ọlụlụ Nkemdịrịm mana Ikenna gara n'ihu mee nke ka ya mma. N'iduuazị a, Ikenna, nwa ya chịkwara ụbụrụ ya site n'ime ka o kwenye n'ihe nwunye ya bụ Nkemdịrịm rịọrọ ya ka o meere ya n'ịkpọta onye ga na-ejere ha ozi ụlọ n'Enugwu (ihu 118). Mgbe Ikenna bịara Odunta ịkpọrọ nwanne ya nwoke Ejindụkpọta Enugwu, nne ya jụrụ ajụ n'ihi na ọ maara na Nkemdịrịm bụ akpị na-agba mmadụ. Na mbụ, nne Ikenne kwetaghị ka Ikenna kpọrọ Ejindụ. Ikenna, dịka onye nwere ike n'ebe ezinụlọ ya nọ n'ihi ego o nwere, mere ka nne ya kweta ka ọ kpọrọ Ejindụ n'ihi na ọ bụrụ na ha ekwetaghị, ịzụ Ejindụ ga-ahịa ha ahụ n'ihi na Ikenna agaghị ahụ maka nke ahụ ọzọ.

Na nchịkọta mpaghara nke a, e nwere agwa ndị nwere ike na agwa ndị a chịkwara dịka o si metụta iduuazị *Ihe ọjọọ gbaa afọ*. A hụrụ agwa ndị nwere ike dịka ndị ogo ha nọ n'elu n'ihi ọrụ ha na-arụ, ndị nwere ugwu na nsọpụrụ na ndị nwere agba n'obodo ma hụkwa agwa ndị a chịkwara dịka ndị na-erube isi na ndị na-adịghị ike.

**Usoro Nchịkwa Mmụọ na Ụbụrụ n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ***

Na mpaghara nke a, a ga-enyocha usoro nchịkwa mmụọ na ụbụrụ n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ*. Ezebube (2016) kwuru na nchịkwa ụbụrụ bụ atụmatụ aghụghọ maọbụ usoro nke mmadụ maọbụ otu na-eme iji manye mmadụ ka o kwenye n'ihe onye nchịkwa kwuru, ma ọ dị onye ahụ mma maọbụ na ọ

dịghị ya mma. Site na nke a, a ga-agbado ụkwụ n'ịchọpụta ụzọ dị iche iche ndị nwere ike si chịkwaa mmụọ na ụbụrụ ndị a chịkwara n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ*.

**Alụmalụ**

N'ala Igbo, alụmdi na nwunye bụ ihe ndị Igbo na-akwanyere ugwu nke ọma. Ya mere Anọzie (2003) jiri kwuo na a bịa n'ihe gbasara mmadụ ịlụ nwaanyị, na nwa agbọghọbịa ịlụ di bụ nnukwu ihe nwere nsọpụrụ pụrụ iche n'ebe ndị Igbo nọ. A bịa n'*Ihe ọjọọ gbaa afọ,* e nwere ebe Ikenna dịka nwoke jiri echiche ụmụnwaanyị nwere banyere alụmdi chịkwaa mmụọ ha ma si otu ahụ nweta ihe ọ na-achọ (ihu 6). Ego, dịka onye nwere nnukwu mmasị n'ịlụ di kwenyere n'ihe niile Ikenna gwara ya. Nke a mere o jiri kweta Ikenna ka ya na ya mewe enyi nke o chere na mgbe ikpeazụ na Ikenna ga-alụ ya. Ikenna dịka nwoke mara na ihe na-akpa Ego bụ ịlụ di.O jiri nke a chịkwaa ụbụrụ ya.

**Asị na aghụghọ**

N'ime iduuazị a, odee gosipụtara ka ụmụnwoke na ụmụnwaanyị si eji aghụghọ na asị aghọrị onwe ha. Nke a na-apụtakarị ihe mgbe mmadụ na mmadụ na-akpa ụbụbọ. Odee gosipụtara ụmụnwokeka ndị na-asị asị ma na-aghọrị ụmụnwaanyị. Ikenna zipụtara njirimara a mgbe ya na nwagbọghọbịa a na-akpọ Mmirimma bịara be ya site na mmanye nke Ikenna manyere ya ka o kweta (ihu 52-53). E gosipụtara Ikenna dịka onye na-aghọ aghụghọ nakwa onye asị mgbe ọ na-agwa Mmirimma na o nweghị onye ọbụla ya na ya ga-azọ ihe ya. Nke a bụ okpokpo asị nakwa ụzọ ọ ga-esi nweta ihe ọ chọrọ n'aka nwata nwaanyị a. Ka ụbụbọ na-aga n'ihu, Ikenna tụkwaara ya asị ọzọ;

> Mmirimma, anaghị m ele ụmụnwaanyị anya. Ọ bụ mma gị mere m jiri siwe ọnwụ ka m mata gị nke ọma n'ihi na ọ ga-amasị m ka m lụba gị. Abụ m nwokorobịa na-anọrọ onwe ya. Ụmụagbọghọbịa anaghị abata be m. Mana nsogbu ọbụla adịghị n'ime ya. Ọ bụ mgbe m na gị matara onwe anyị nke ọma ka ị ga-eji ghọta ihe a m na-ekwu maka ya, nke ọma (ihu 53).

N'ụbụbọ a dị n'elu, Ikenna na-achọ ụzọ ọ ga-esi nweta ebumnobi ya bụ ka ya na nwagbọghọbịa a mewe enyi. Nke a kae zipụtara n'akụkọya nke pụtara na ụmụnwoke nwere mmasị n'ịtụ asị na ịghọ aghụghọ ka ha nwee ike nweta ọchọ nke onwe ha. Nke a pụtara ihe n'ebe Ikenna nọ.

Mgbe Ikenna kpọtara Nkemdịrịm ka nne na nna ya hụ onye ọ chọrọ ịlụ, mgbe ha ruru be Ikenna, ihu Nkemdịrịm gbanwere n'ihi na o jirila uche ya mata na ọ bụghị ka akị ilu si ada na ntị ka o si atọ n'ọnụ. Nkemdịrịm gwara ya;

> Ikenna, amaghị m na ị bụ ọ mara mma n'elu koro ebu n'ime. Amaghị m na ọ bụ ọnụ ka i ji were na-abatu ọjị n'Enugwu. Ọ bụrụ na m maara na ọ bụ otu a ka be unu dị agaghị m ekweta soro gị bịawa. Mana, Ikenna, i jikwa n'aka na ị ga-alụnwu m? Ọ bụ ahụhụ a ndị be unu na-ata ka m ga-eso ha taa? Mana Ikenna, o nweghị onye ọbụla ga-agwa m na ụdịrị ndụ ahụ ị na-ebi enweghị ntọala, m kweta. N'eziokwu m, amaghị m na ọ bụ otu a ka be unu dị. N'ezie, amaghị m. Ọ bụrụ na m maara ... (ihu 69).

Site n'okwu a dị n'elu, Nkemdịrịm zipụtara Ikenna dịka onye asị na aghụghọ. Nke a na-egosi na dịka nwoke, o nwere ike ikwuta ihe ọbụla n'usoro ọbụla ọ chọrọ ka ihe ahụ si were gaa. Site n'ihe Nkemdịrịm gwara ya, ọ tụgharịrị echiche ya site n'ịgwa ya okwu ga-emeda obi ya ka o were nweta

ebumnuche ya ịlụ ya n'ihi na ọ mara mma nke na-emebi ya bụ Ikenna isi nke ọ chọghị ka onye ọzọ lụwa ya.

**Omenala**
N'iduuazị a, e zipụtara ụzọ ndị ụmụọkpụ si emegasị ihe ha dịka omenala obodo siri dị (ihu 236-237). Nke a na-egosi na ihe ndị obodo na-eme na ụzọ ha si eme ya na-egosipụta ụkpụrụ ndebe iwu obodo nke ọha mmadụ nabatara. Van Dijk (1995) na nkọwa ya mere ka a mata na mgbe ndị mmadụ na-ekwu okwu, a na-enwe mmekọrịta n'etiti ụbụrụ na iwu obodo nke ga-eme ka ihe ha na-ekwu bụrụ ihe ndị obodo ga-anabata dịka iwu ahụ nyere. Ụmụọkpụ bụ otu a na-enye ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche. N'ihi na ha bụ ụmụada, anaghị akparị ha n'ụdị ọbụla. Nke a na-egosi na onye ọbụla mejọrọ ndị ụmụọkpụga-anata ntaramahụhụ n'ụzọ omenaala ma bụrụkwa nke ndị obodo nabatara. Nkemdịrịm dịka nwa anya na-acha ọkụ amaghị na okwu ndị ụmụọkpụ anaghị ekwe okwukwu mgbe mmadụ nupuru isi. Nke a na-egosipụta na omume ya dịka nwaanyị a na-alụ alụ ezighi ezi. O nyeghị ndị ụmụọkpụ ugwu na nsọpụrụ. Nke a mere na ndị ụmụọkpụ foro ntutu taa na ha ga-emesi ya ike dịka iwu obodo si dị, dịka onye anaghị akwanyere di ya, nne na nna di ya, ikwunibe, agbataobi na ha onwe ha ugwu. Akparamagwa ha tụgharịrị ụbụrụ Nkemdịrịm ma tinye ụjọ na egwu n'ime ya.

**Ịda nha**
N'ala Igbo, e kwenyere na onye ọbụla dara iwu maọbụ mee ihe ndị obodo anabataghị, a ga-ada onye ahụ nha site n'iwu obodo. N'ime akụkọ a, e zipụtara nke a mgbe Ikenna na-eme mmemme ọnwụ nna ya. Ndị ụmụọkpụ were ohere ọnwụ nna Ikenna kụziere ya mkpa ọ dị ileta nne na nna ya anya site n'ịda ya nha. Nke a mere na ha dara ya nha ma nye ya ntaramahụhụ (ihu 239-240). O nweghị ike ịsị na ya agaghị aha nha ahụ n'ihi na ọ nwaa ya anwa, ndị ụmụọkpụ ahapụrụ ya elimozu nna ya sọ ya nke ga-abụ ihe ihere nye ya. Ha dakwara Nkemdịrịm nha mgbe ọ lọtara maka ọnwụ nna di ya. Ha sị ya na ọ ga-enye ha otu nne ewu gbara agba, ọkụkọ ise chara acha, mba ji iri na abụọ tinyekwara otu puku naịra (ihu 238).

Nke a na-egosipụtakwa ụzọ ndị ụmụọkpụ si gosipụta ike ma chịkwaa mmụọ Nkemdịrịm site n'ịda ya nha ka o nwee ike gbanwee ndụ ọjọọ ahụ ọ na-ebi ma site etu ahụ na-eme ihe kwesịrị ekwesị dịka nwaanyị bi na be di. Ndị ụmụọkpụ maara ụdịrị ntaramahụhụ ha ga-enye nwaanyị adịghị anụ ihe maọbụ na-emegbu di ya. Ha kwenyere na ụzọ a ha siri soo Nkemdịrịm ga-eme ka isi ya jụọ oyi ma mee ka ọ na-asọpụrụ ndị kwesịrị inye ugwu ma wedaa onwe ya ala. Ọ bụkwa ihe a ndị ụmụọkpụ mere Nkemdịrịm ka o ji si be di gbalaa be nna ya n'ihi na o chekatara ka ọ ga-esi haa nha a dara ya, o kweghị ya omume. Etu a ka ụmụọkpụ si eme n'obodo dị iche iche taa. Onye ya na ndị ụmụọkpụ jechara ihe ga-ekweta n'ezie na ụmụnwaanyị dị egwu maka na ha ga-emenye onye ahụ egwu nke ga-eme na onye ahụ agaghị echefu ya echefu na ndụ ya niile.

**Akụnụba**
Dịka Ezeuko (2009) siri kọwaa, a bịa n'ala Igbo, e kwesịrị ka a mata na akụnụba abụghị naanị ego na osisi na-enye ego mana o metụtara ọkpụkpụ ike na ọgụgụ isi mmadụ. Nke a pụtara na akụnụba n'ala Igbo metụtara ihe ndị a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya. N'ime akụkọ a, e zipụtara Ikenna dịka onye nwere akụnụba nke mere na o ji ya na-achịkwa ụbụrụ Nkemdịrịm na ụmụagbọghọbịa ndị ọzọ. Nwa agbọghọbịa ọbụla bịachara na be Ikenna n'Enugwu ga-achọ ụzọ ọ ga-esi mee ka ya na Ikenna lụọ dịka di na nwunye nakwa uru ihe ndị ọzọ ha na-erita na be ya dịka ihe oriri na ihe ọṅụṅụ (Ihu 1). Ọzọ kwa, mgbe Ikenna kpọlara Nkemdịrịm na be nna ya n'Odunta, ọ bụ n'ihi na

Ikenna nwere akụnụba mere ka o nwee okwukwe n’ebe Ikenna nọ mgbe ọ hụchara ụlọ akanya nne na nna Ikenna bi na ya (Ihu 69).

**Mma**
Ikenna bụ nwoke hụrụ ụmụnwaanyị mara mma n’anya nke ukwuu. Nwaanyị ọbụla mara oke mma nwere ike ịkpọla Ikenna na be ndị mmụọ. Nke a pụtara ihe mgbe ọ gara ịchọ ihe ọ ga-eri oge ọ gbasara ọrụ otu ụbọchị. Otu a ka o siri hụ Nkemdịrịm ebe ọ na-enyere nwunye nwanne nna ya aka (Ihu 20). N’ihi ụdịrị mma Nkemdịrịm mara, o nweghị ihe ọbụla ọ naghị asị Ikenna meere ya. O ji ụzọ dị otu a na-anapụta Ikenna ego ya kwa mgbe kwa mgbe. Ọ bịachaa be Ikenna n’Enugwu chọrọ ịla, Ikenna na-azụrụ ya ihe ọbụla ọ ga-eji laa n’ụlọakwụkwọ. Ikenna amaghị na Nkemdịrịm enweghị ezigbo ịhụnanya n’ebe ọ nọ kama ọ bụ ụzọ ọ ga na-esi enweta ego n’aka ya. Ọzọ kwa, Mmirimma jikwara oke mma ọ mara chịkwaa mmụọ Ikenna n’ụzọ nke ya.

**Ọnọdụ/ọ́kwá**
N'ala Igbo, mgbe ụfọdụ, ụmụnwaanyị na-ewere ọnọdụ ha dịka ndị a na-alụ alụ achịkwa mmụọ ndị ha na ha na-enwe mmekọrịta, ọkachasị n’ezinụlọ ebe a na-alụ ha. Nke a pụtara ihe na ndụ Nkemdịrịm. Mgbe Nkemdịrịm dị ime, o jiri ọnọdụ ya dịka nwunye Ikenna chịkwaa mmụọ ya (Ihu 168). Mgbe ọ mụchara nwa, o jiri ọnọdụ ya dịka nwaanyị nọ n’ọmụgwọ na-emegbu Ikenna. N'ihi nwa ọ mụrụ, o jizi ya eme ihe ọbụla masịrị ya. Nke a pụtara na ọ na-ahụzi onwe ya dịka onye nwere ọnụ okwu na be di ya. Ọzọ kwa, Nkemdịrịm jiri ọnọdụ ya dịka nwunye Ikenna chịkwaa mmụọ nne Ikenna na Ejindụ mgbe ha bịara n’Enugwu. Ọ marala na o nweghị ka Ejindụ maọbụ nne Ikenna ga-esi sị ya lawa n’ihi na Ikenna lụrụ ya alụ. Ọ naghịkwa ekele nne Ikenna mgbe ụfọdụ (Ihu 220).

Mgbe mmadụ nọ n’ọkwa maọbụ mgbe e nyere mmadụ ikike ọchịchị, onye ahụ nwere ugwu na nsọpụrụ ọ na-enweta n’aka ndị nọ n’okpuru ya. Nke a ga-eme ka onye ahụ nwee ikikere n’ebe ọha mmadụ nọ nakwa ịgwa ha etu ha ga-esi mee maọbụ emeghị ọtụtụ ihe dị aṅaa. Nke a pụtara ihe n’agwa Afụlụenu mgbe ndị ụmụọkpụ malitere ozigbo kpawa nkata ihe ha na Nkemdịrịm ga-eje (Ihu 227). N’ihi na ọ bụ Afụlụenu bụ onyeisi ndị ụmụọkpụ, ọ gwara ha ka ha nwe ndidi ka a dọnyechaa ozu nwanne ya nwoke n’ala tupu ha amalite ịgwa Nkemdịrịm okwu. Nke a gosipụtara na ọ bụ Afụlụenu bụ onyeisi nke ndị ụmụọkpụ niile nabatara.

**Nchịkọta na Mmechi**
Site n’ihe ndị a chọpụtara, atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke Teun van Dijk (1995) bụ nke e nwere ike iji nyochaa ụbụbọ ma gosipụta etu ndị mmadụ si egosipụta ike nakwa etu e si achịkwa ụbụrụ na mmụọ ndị mmadụ. E lebakwara anya ka iwu obodo na ihe ndị mmadụ na-ekwu n’obodo si aga n’ezi usoro. Site n’iduuazị e ji rụọ ọrụ, a chọpụtara na nwoke maọbụ nwaanyị nwere ike inwe ike n’obodo n’agbanyeghị na a bịa n’ala Igbo, a na-ahụkarị nwoke dịka onyeisi ezinụlọ, ọgbakọ maọbụ obodo. Dịka Ọfọmata siri gosipụta Ikenna n’*Ihe ọjọọ gbaa afọ*, a hụrụ Ikenna dịka nwoke nwere ike site n’adịmike, akụnụba, na okwu asị na aghụghọ nke o ji chịkwaa mmụọ na ụbụrụ agwa ndị ọzọ. Nchọcha a chọpụtakwara na ụmụnwaanyị nwekwara ike n’ogo nke ha. Nke a bụ nke Ọfọmata zipụtara site n’akparamagwa Nkemdịrịm, Mmirimma, Afụlụenu na ndị ụmụọkpụ. A chọpụtara na nwaanyị maọbụ ụmụnwaanyị nwere ike site n’ọnọdụ ha dịka nwunye mmadụ, mma maọbụ ọkwa.

A chọpụtakwara na e nwere ike ịchịkwa agwa ndị nwere ike. N'*Ihe ọjọọ gbaa afọ*, a chịkwara Ikenna. Nkemdịrịm ji mma ya chịkwaa mmụọ na ụbụrụ Ikenna ka o were nweta onye ga-enyere ya aka n'ụlọakwụkwọ. Mmirimma jikwa mma ya chịkwaa mmụọ na ụbụrụ Ikenna. Mmekọrịta niile gara n'etiti Mmirimma na Ikenna bụ iji kụziere Ikenna ihe na ọ bụghị mma nwaanyị ka nwoke nwere uche ji alụ nwaanyị. Ikenna n'onwe ya chịkwara mmụọ na ụbụrụ Ego. Ikenna hụtara Ego dịka onye nwere ihe niile ọ chọrọ n'ụwa kama ọ na-achọ nwoke ga-alụ ya. Ikenna si ụzọ dị otu a chịkwaa Ego site n'ikwe ya nkwa ọlụlụ ka ọ na-enweta ihe ọ chọrọ n'aka ya.

Site n'ụkpụrụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nke gbadoro ụkwụ n'atụtụ nchọcha nke Teun van Dijk, nke e ji nyochaa iduuazị Ọfọmata, e gosipụtara na nwoke maọbụ nwaanyị nwere ike site n'ụzọ dịgasị iche iche chịkwaa onwe ha. Ụzọ ndị a gụnyere: alụmalụ, asị na aghụghọ, omenala, ịda nha, akụnụba, mma, ọnọdụ maọbụ ọkwa.

N'ikpeazụ, a ga-asị na ike bụ ihe nwere mgbanwe dịka a hụrụ n'iduuazị Ọfọmata a. Agwa nwoke ka a hụrụ dịka agwa ndị ka n'ogo ebe agwa ndị nwaanyị ka a hụtara dịka agwa ndị esighị ike n'ogo. Ike ụmụnwaanyị nọ n'ọkwa, ọnọdụ maọbụ n'ọchịchị bụ nke ndị ụmụnwoke ga-akwadoriri. Nchọcha a gosipụtakwara na ụmụnwaanyị na-aka enwe ike mgbe ọnọdụ ha gbanwere. Ya bụ, site mgbe alụbeghị ha garuo mgbe a lụrụ ha n'ihi na mgbe a lụrụ nwaanyị bụ mgbe ugwu na nsọpụrụ ya ji apụtakarị ihe dịka omenaala ndị Igbo si ezipụta. Nchọcha a egosila n'agbanyeghị na e nwere ọtụtụ ebe ọzọ a na-ahụkarị atụtụ ntụcha ụbụbọ kempụrụiche dịka n'ụbụbọ ọchịchị, ụbụbọ okpukperechi na ụbụbọ nzisa ozi, na e nwere ụbụbọ n'ọrụ agụmagụ gbasara omenaala na obibi ndụ ndị Igbo.

**Nrụmaka**


Agbedo, C. U. (2012). Power manifestations and manipulations in interactive discourse: Evidence from Ezikeoba Elders' Council. *Research on Humanities and Social Sciences, 2*(10), 1-11.

Akaeze, C. M., Aboh, S. C., & Ugwuoke, P. E. (2021). *Ntọala ọdịnịịgha Igbo ọlọrọọọhụrụ.* Pacific Publishers Ltd.

Anọzie, C. C. (2003). *Igbo kwenụ: Akụkọ na omenaala ndị Igbo*. Computer Edge Publishers.

Bukhari, N. & Xiaoyang, W. (2013). Critical discourse analysis and educational research. *IOSRJournal of Research and Method in Education, 3*(1), 9-17.

Emenanjọ, E. N. (2015). *A grammar of contemporary Igbo*. M & J Grand Orbit.

Erika N. P. P., Wiwi, W., & Faisal, F.N. (2021). Human rights and the new order regime: A critical discourse analysis towards the novel, "*Laut Bercerita*." *International Journal of Social Sciences Review, 1*(2), 12-30.

Ezebube, C. C. (2016). Gender and power in Ubesie's novels: A critical discourse analysis. Arụmarụ M. A., Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Ezeifeka, C. (2018). *Discourse analysis: Concepts and approaches*. Patrobas Nigeria Ltd.

Ezeuko, R. O. (2009). *Ewumewu omenaala: Ofufe na nkwenye ndị Igbo*. MAS Founders Publications Ltd.

Fairclough, N. (1989). *Language and power*. Longman.

Fairclough, N. (1995). *Critical discourse analysis*: *The critical study of language*. Longman.

Hamid, M. K., Djyad, L., & Abdalla, M.S.A. (2023). Us vs them: A critical discourse analysis of Nadeem Aslam's novel, *The Golden Legend*. J*ournal of Literature, Languages andLinguistics, 6*(98), 43-48.

Lakoff, R. (1975). *Language and women's place*. Harper and Row.

Mostafa, G., & Hassan, A., (2012). Critical discourse analysis of the political novel, Unsecured Existence. *International Journal of Political Science*, 3(2), 1-16.

Muhammad, I., Mujib, R., & Sahrish. (2023). Gender construction, discrimination, and identity: Critical discourse analysis of *The Pearl That BrokeIts Shell*. *Journal of Education andSocial Studies*, *2*(4), 260-270.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala agụmagụ*. Ifunanya Publishers.

Ọfọmata, C. E. (2005). *Ihe ọjọọ gbaa afọ*. Format Publishers Nig. Ltd.

Ọfọmata, C. E. (2012). *Omenaala na ọdịnaala ndị Igbo*. Format Publishers Nig. Ltd.

Okafor, S. O. (2008). *Akanka n'agụmagụ Igbo.* Colours Communication Publishers.

Ụzọchukwu, S. (2012). *Akanka na nnyocha agụmagụ Igbo*. Pacific Publishers Ltd.

Van Dijk, T. A. (1993). Principles of critical discourse analysis. *Discourse and Society*, *4*(2), 249-283.

Van Dijk, T. A. (1995). Discourse semantics and ideology. *Discourse & Society*, *6*(2), 243-289.

Van Leeuwen, T. (2008). *Discourse and practice: New tools for critical discourse analysis.* Oxford University Press.

Wodak, R. (1996). *Orders of discourse*. Wesley Longman.